# MNWAPỤTA NKE OKWUKWE

**Jemes 1:1-21; I Pita 1:1-9; 4:12-19**

**IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 448**

**Nke Ndietiti**

**AMAOKWU IBU N'ISI: "Ọ bụrụ na onye ọ bụla nāhụ ahụhụ dị ka Kristian, ka ihere ghara ime ya: ma ka o nye Chineke otuto n'aha nka" (I Pita 4:16)**

**Ihe Anyị Naamụ**

Unu bụ́ ụmụokorọbịa na ụmụagbọghọbịa matara ihe ọ bụ ịgafe ule n'ụlọakwụkwọ ebe anyị naamụ asụsụ Bekee, mgbakọ na mwepu (arithmetic), ịdịọcha na ọtụtụ iheọzọ gaenyere gị aka ka ị naetolite ịkpata ihe ị gaeri, nwee ezinaulo nke gị, bụrụ ezi onye obodo gị. N'iheọ̀mụ̀mụ̀ nke Ụlọakwụkwọ Ụbọchiụkọ anyị taa anyị naagụ banyere ule dị icheiche n'otù ụlọakwụkwọ ebe anyị naamụta ịhụ Chineke na ndịenyi anyị na ndịagbataobi anyị n'anya, bụrụ kwa ezi ndị Kraist.

**Ụdị Ule Dị Icheiche**

Ndụmọdụ mbụ enyere n'iheọ̀mụ̀mụ̀ anyị a bụ, "Gụanụ ya n'ọñụ nile …. Mgbe ọ bụla unu dabara n'ọnwụnwa dị iche iche." Gịnị ka okwu a bụ ọnwụnwa pụtara nye gị? Eleghịanya ị naechè banyere ụfọdụ iheụtọ na nke dị ka ihe dị mma nke bụ nnọọ ihe náadịghị mma maọbụ mmehie. Nke ahụ bụ otù ụdị ọnwụnwa. Ụdị ọnwụnwa ọzọ dị kwa nke náanwapụta maọbu lee okwukwe OnyeKraist nime Chineke ule.

Mgbe anyị buru ụzọ bụrụ NdịKraist anyị nwere okwukwe. Anyị naabịakwute Chineke wee kwupụta mmehie anyị rịọ kwa Ya ka Ọ zọpụta anyị. Anyị nwere okwukwe; anyị naekwere na Chineke naanụ ekpere anyị na Ọ naazọpụta kwa anyị na Ọ gaedebe anyị ná nzọpụta ahụ ụbọchi niile nke ndụ anyị. Emesia otù ọnwụnwa maọbụ ule abịa ịnwapụta okwukwe ahụ anyị nwere na Chineke. Anyị ka naekwere kwa na Chineke gaedebe anyị ná nzọpụta ahụ ọbụná asị na ọnwụnwa ahụ dị ọkụ, dị kwa ike ịnagide?

Mgbe Jemes Onyeozi dere ndụmọdụ a, "Guanu ya n'ọñụ nile, umu-nnam, mgbe ọ bụla unu dabàra n'ọnwụnwa dị iche iche," ihe o bu n'obi bụ, Nwee ọñụ mgbe ọtụtụ ule maọbụ ọnwụnwa nke ndụ naabịa n'ụzọ gị. n'ihi gịnị? N'ihi na mgbe ị naanagide ule na ọnwụnwa nke ndụ n'ọñụ dịka agwara gị ka ị mee, ị na-amụta ntachiobi, nke ahụ naeme kwa gị ezi OnyeKraist karịa.

N'ụbọchị ị buru ụzọ gụọ otù iheọ̀mụ̀mụ̀ nime akwụkwọ ụlọakwụkwọ gị, ị̀ nwere ike ịgafe ule sitere na ya? É-è, ị naagụ ya ọtụtụ ugbò; lụọ iheatụ ya, maobu depụta ụfọdụ ihe ị mụtara site na ya. Ị zara ajụjụ ụfọdụ n'ọnụ. ị̀ naagụ ya ụbọchi niile, mgbe ahụ i wee nwee ike ịgafe ule sitere na ya. Ọ bụ kwa otú ahụ ka ọ dị n'ụlọakwụkwọ nke Chineke -- ị pụghị ịmụta ịbụ Onye Kraist dị ike n'otù iheọ̀mụ̀mụ̀, ya mere ka ọ ghara iju gị anya mgbe otù ọnwụnwa na esochi ibe ya n'ụzọ gị.

**Emere Ka Adị Ike Karịa**

Ka ị naagụ iheọ̀mụ̀mụ̀ a taa, ọ dị ọhụụ n'obi gị; ọ bụrụ kwa na ọnwụnwa siri ike abịa n'ụzọ gị taa, eleghịanya ị gaecheta inwe ọñụ nwee kwa ntachiobi. ma òlee ihe banyere izuụkọ naabịa mgbe ị gaachọsiike isoro n'otù ndị naabụ abụ̀ n'ụlọakwụkwọ gị, onyenkuzi wee sị na ị nweghị ike isoro n'ihi na ọ dịghị kwa ohere fọdụrụ? Ị naanagide ọnwụnwa ahụ site n'inye ya ohere ma náánị imere onwe gị ebere? Maọbụ kwosa ndịọzọ ekworo bụ ndị nwetara ohere ahụ ịchọsiworo ike nye onwe gị?

Ị gaagafe ule ahụ ọ bụrụ na i cheta ndụmọdụ mbụ ahụ enyere gị, "Gụanụ ya n'ọñụ nile," jigidesie kwa okwukwe na ntụkwasịobi ahụ ike nke i nwere nime Chineke mgbe ebu-ụzọ zọpụta gị. Okwukwe gị na ịhụn'anya gị n'ebe Chineke nọ ganaesiwanye ike dịka ịnaekpe ekpere náatụkwasị Ya obi ka O wee meghere gị ụzọ inweta ka ha ra bụ ihe niile Ọ matara na ọ gaabara gị urù. Nke a gaeme ka ịbụrụ OnyeKraist siriike karị, nke gaeji ogologo ntachiobi na ịnọgidesiike guzogide ọnwụnwa ndịọzọ kanaabịa n'iru.

**Ọnwụnwa Ọzọ**

Enwereike na mmalite tem ọhụụ nke ụlọakwụkwọ gị na enyi gị gaachọ idenye aha n'ebe anaamụ otú esi eji meshin ede ihe (typing). Onyenkuzi ahụ wee denye aha enyi gị, ma jụ idenye aha gị. O wee wute gị ebe ọ dị ukwuu. Ọnwụnwa nke pụrụ ime ka iwe wee gị abịala ọzọ, ma o sighiike dịka ọnwụnwa nke mbụ. Ngwa ngwa iwee cheta otú Chineke sị nyere gị aka na mbụ iwee guzosie ike ná mkpebi gị ịtụkwasị Ya obi n'ọnwụnwa nkẹ a, kwa.

I wee naaga n'iru nime izuókè ụdị nke iheọ̀mụ̀mụ̀ anyị a naekwu ihe banyere ya; ebe ị gaenwe ojujuafọ, ebe ị gaadị ike n'itụkwasị Chineke obi n'oge niile nke mkpà.

**Inyeaka Chineke**

Ọnwụnwa siriike karịa nwere ike chere gị. Gịnị gaeme ma ọ bụrụ ihe eboro gi ebubo na i zuru akpaego nwa ụlọakwụkwọ ibe gị n'ori? Eleghịanya onye nkuzi gị nwere -- ike kwere na ọ bụ gị weere ya, n'ihi na ọ bụ gị bụ onye ikpeazụ rapụrụ klaasị ahụ. O wee wute gị ebe ọ dị ukwuu riinne, ibu arọ wee dị n'obigị, ma ị matara na n'ebe Chineke nọ na i nweghị ihe ịtaụta: i wereghị akpaego ahụ.

I wee kpeeekpere rịọ Chineke ka O nyere gị aka iji ntachiobi chere ka i wee "gụanụ ya n'ọñụ niile," tutu rue mgbe Chineke gaeme ka eziokwu pụta ìhè i nwewo ike ịtụkwasị Chineke obi dịka nwaokoro Devid mgbe o biliri ibuso dike bụ Golaiat agha, n'ihi na ọ sịrị: "JEHOVA nke napụtaram n'aka ọdụm, na n'aka bear, Ya onwe-ya ganapụtam n'aka onye Filistia nka" (I Samuel 17:37). I nwere otù ụdị ntụkwasịobi ahụ na okwukwe nime Chineke n'ihi na O nyeworo gị aka gafee ọtụtụ ule ị matakwara na Chineke ga-enyere gị aka na nka a, kwa. Ma mgbe achọpụtara onye zuru ori ahụ, lee otú obi gaatọwo gị rịị ụtọ n'ihi na ijiwo umeala chere n'oge niile nke ọnwụnwa ahụ!

**Amamihe Achọrọ**

Baịbụl kwuru gaa n'iru na mgbe ọ bụla ọ dị gị ka inweghị amamihe gaezuru gị ime ihe ị chọrọ ime, gị "rịọ n'aka Chineke, Onye nēnye madụ nile n'afọofufo, nātagh kwa ụta; agewere kwa ya nye ya." Ma mgbe anyị naarịọ ihe ọ bụla n'aka Chineke, okwukwe anyị ga anọgidesike n'ekpere anyị maọbụrụ na anyị chọrọ ka aza arịrịọ anyị. Ọ bụrụ na anyị chọrọ ka Chineke due anyị n'otu mgbe, ma mgbe nke ọzọ anyị wee chọọ ịga n'ụzọ nke onweanyị, Chineke adịghị aza ụdị ekpere ndịa eji obi abụọ kpee. Ya doo gị anya na ị naarịọ n'okwukwe, ụdị okwukwe na obiike ahụ i nweworo mgbe ị naarịọ ka Chineke zọpụta gị, mgbe ahụ Chineke gaanụ.

**Ntachiobi**

"Ngọzi nadịrị nwoke onye nātachi obi n'ọnwụnwa." Mgbe mmadụ nweworo ntachiobi, merie ọnwụnwa maọbụ mkpagbu na abọghị ọ́bọ̀ n'aka onye ahụ o si bịa maọbụ ihe ahụ náegbu ya mgbu, ọ bụ onye agọziriagọzi. Ọ bụ onye Chineke gọzirịagọzi, Ma ọ bụrụ na ọ nọgide na ntachiobi, otù ụbọchị ọ gaanata kwa "okpueze ahụ, bụ ndụ, nke Onye-new-ayị kwere nkwa inye ndị huru Ya n'anya."

Anyị matara n'ezie, na Chineke adịghị eji ihe ọjọọ anwa onye ọ bụla. Kama anaanwa onye ọ bụla mgbe agụụ ihe ọjọọ nke aka ya naadọkpufu ya, maọbụ site n'ọchịchọ siriike. Ọtụtụ mgbe ha naekwe ka ọchịchọ siriike ahụ duba ha nime mmehie. Ma Chineke naeduru ụmụmmadụ baa n'ụzọ niile nke eziokwu. Ọ̀ naagbagwoju gị anya mgbe ụfọdụ ịma ma Chineke ọ naedu gị n'ihe ị naeme, maọbụ ọchịchọ nke onwegị ọ naedu gị? Ị gaamà ihe dị iche. Chineke gaeduru gị ga elu, elu, ma ọchịchọ nke onwegị nwere ike iduru gị gaa ala, ala. Jụọ onwegị ajụjụ, "Ihe a ọ̀ gaenyerem aka n'ime mmụọ? Ọ̀ gaabaram urù bụrụ kwa otuto nye Chineke? Ọ bụrụ na ọ gaabụ otuto nye Chineke mgbe ahụ m'gaeme ya. Ma ọ bụrụ na inwere mmetuta maọbụ àtụ̀mààtụ̀ nke duru gị pụọ n'ebe Chineke nọ, jụ ime ihe ahụ kpamkpam.

Chineke chọrọ ịdụ ndị nke Ya n'ihe ntà niile, na n'akụkụ niile nke ndụ. Ọ bụrụ na anyị ekwenyere Ya, Ọ gaedu anyị ma Ọ gaeji kwa anyị lụọọlụ n'Oziọma, n'ihi na ọ bụ Onye na enye ezi onyinye ọ bụla na ihe ọ bụla zuruòkè.

**Ọ pụrụ Ịzọpụta Ma Chebe Kwa**

Anyị onweanyị bụ ndị Kraist ka amụworo ọzọ site n'Okwu Chineke na Mmụọ Ya, n'iheọ̀mụ̀mụ̀ nke taa anaadụ anyị ọdụ na ọ bụrụ na anyị esogide aga echebe anyị ezi ndị Kraist rue ndụ ebighịebi. "Ka madụ ọ bụla buru onye nānụ ihe ọsọsọ, onye nādịgh ngwa ikwu okwu, nādịgh kwa ngwa iwe iwe." Jikere ma nwe kwa mmasị ịnụ ihe Chineke gaekwu, ma abụla onye naekwuokwu ọsọsọ ime ka gị onwegị bụrụ onye akpaliri n'iwe maọbụ ọnụma. Wezuga onwegi, maọbụ wepụsịa mmehie niile – mmehie ukwuu niile na mmehie ntà niile -- gụọ ma mụọ ma rube kwa isi n'okwu Baịbụl, n'ihi na Okwu Chineke pụrụ ịzọpụta mkpụrụobi gị ma chebe gị tutu rue mgbe ị gaaba n'Eluigwe.

**Mkpà Okwukwe Dị**

Pita Onyeozi kwuru banyere ọñụ nke OnyeKraist dị nime nzọpụta na ịhụnanya ya nye Jisọs Kraist náagbanyeghị na mgbe ụfọdụ obi ya nwere ike dị arọ n'ihi ọnwụnwa na ule niile nke naabịa ịnwa okwukwe

ya -- okwukwe ahụ o nwere mgbe mbụ ọ bịakwutere Chineke, okwukwe ahụ bụ́ na Chineke gaazọpụta ya chebe kwa ya n'eziokwu ụbọchi niile nke ndụ ya.

Okwukwe a bụ ihe dị mkpà nke ukwuu, ihe dị óké ọnụahịa, n'ihi na ọ gaenyere OnyeKraist aka ikwesi ntụkwasịobi rue mgbe Jisọs gaabịa, n'ihi na ọ gaabịa ịkpọrọ ya laa n'Eluigwe rue mgbe ebighiebi. Otú a ka Chineke si ele anyị ule dị icheiche ná anụcha okwukwe anyị site n'iweta ọnwụnwa ọkụ dị icheiche n'ụzọ anyị, otú ahụ dịka ọlaedo nke egwupụtara nime ala nke eji okpomọkụ̀ nke ireọkụ̀ ná enwu ezi onwunwu ná anụcha tutu rue mgbe ọ ga adị ka enyo.

**N'ihi Otù Ihe**

Anyị agaghị agụ ya n'ihe anaahụbeghị mbụ, maọbụ chee na o kwesịghị ime, maọbụ tụọ egwù, ma ka anyị cheta na Onyenweanyị naeme ihe ndịa iji nwapụta ma tụọ kwa anyị. Anyị kwesịrị ịñụrị ọñụ ka obi tọọ kwa anyị ụtọ n'ihi na anyị ketara òkè n'otù ụdị ahụhụ ahụ niile Jisọs hụrụ. Jisọs matara ụdị ahụhụ anyị naahụ́ mgbe ọnwụnwa naabịa. Anwara Ya n'otù ụzọ ahụ niile esi náanwa anyị, ma O jikekwara inyere anyị aka (Ndi Hibru 2:18; 4:15).

Ọ bụrụ na ụmụmmadụ ekwuookwu nagbawa obi, okwu nleli dị icheiche banyere anyị n'ihi na anyị bụ ndị Kraist, anyị kwesịrị ịñụrịọñụ. Mgbe ụfọdụ ihe siriike dị icheiche naabịara onye ọ bụla nọ n'ụwa. Ọbụná ndị iruabụọ, na ndị mmehie nwere ihe siriike dị icheiche ha naagafe, ma Baịbụl gwara anyị ka anyị ghara ịhụ́ ahụhụ dịka ndị mmehie. Ndị ogbummadụ, ndị ori na ndị náesigharịimi n'ala n'okwu onyeọzọ gaahụ́ kwa ahụhụ, n'ihi ihe ha naeme. Ma ọ bụrụ na ụmụmmadụ ekwuookwu ọjọọ megide anyị ma chịa kwa anyị ọchị n'ihi na anyị adịghị eje n'ebe ihe nkiri dị icheiche, n'ihi na anyị adịghị agba egwu, n'ihi na anyị adịghị eteji egbugbereọnụ anyị ma mee kwa dịka ndị ụwa si eme, anyị ekwesịghị ime ihere.

Oge ụfọdụ ụmụmmadụ naagbalị ime ka ihere mee anyị n'ihi na anyị naebi ndụ náakpáagwa dịka ndị Kraist, ma n'ezie ihere ahụ dịịrị ha n'ihi na ha naebi ndụ dịka ndị mmehie.

**Onye Kèrè Anyị Kwesịrị Ntụkwasịobi**

Dịka ndị Kraist, anyị mara na anyị kwesịrị ịbụ ndị eziokwu nye Chineke ụbọchi niile ka anyị nweeike jikere mgbe Jisọs gaabịa. Mgbe ahụ gịnị gaabụ ọgwụgwụ ndị ahu niile náejikereghị, ndị ahụ náachọghị ime uche Chineke? Ikpé Chineke náánị ka ha ganaele anya ya. Ma ka anyị ñụrịaọñụ nime ahụhụ niile ahụ nke bịara ịnwa ịhụn'anya anyị n'ebe Ọ nọ ma le kwa okwukwe anyị n'ebe Chineke nọ ule, onye Kèrè anyị kwesịrị ntụkwasịobi onye naeche anyị nché ná agaghị ekwe ka anwa anyị karị nke anyị pụrụ ịnagide (I Ndi Kọrint 10:13).

## AJỤJỤ DỊ ICHEICHE

1. Òlee akwụkwọ anyị si mụta iheọ̀mụ̀mụ̀ niile a dị óké ọnụahịa?
2. Gịnị bụ ọnwụnwa?
3. Gịnị bụ ndụmọdụ mbụ dị nime iheọ̀mụ̀mụ̀ nke ụbọchi taa?
4. Gịnị ka ọnwụnwa niile na ule niile dị icheiche ndịa na emere OnyeKraist?
5. Ụdị ekpere dị añaa ka Chineke gaaza?
6. Gịnị ka mmadụ gaanata maọbụrụ na o were ọñụ nagide ọnwụnwa?
7. Gịnị naakpata ka ewere ihe ọjọọ nwaa mmadụ?
8. Gịnị bụ ihe ahụ dị mkpà ma bụrụ kwa ihe óké ọnụahịa karịa olaedo?
9. Gịnị mere o ji o kwesịghị ka ihere mee anyị ma ọ bụrụ na anyị ahụ́ọ ahụhụ dịka ndị Kraist?